lAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri
a na-egosi

# Ezikiel: Onye na-ahụ Ọhụ



Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Lazarus
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Ruth Klassen

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

Ogologo oge gara aga, ndị-agha dị ike wakporo Juda, dọrọ ọtụtụ n'ime ndị Chineke n'agha laa Babịlọn. N'ebe dị anya site n'obodo ha, ndị Juu a bi n'akụkụ osimiri Cheba. Otu n'ime ha bụ ohu Chineke, bụ́ Ezikiel onye-amụma.



Otu ụbọchị, Chineke mere ka Ezikiel hụ ọhụ. Ebube Chineke pụtara dị ka ìhè nke na-enwu gbaa, n'ụdị anụ anọ dị ndụ nke na-enwu ọkụ. Ihu anọ na nkù anọ ka otù ọbụla nwere. N'elu ha ka oche-eze sapphire mara nma nke jupụtara n'ìhè dịka eke na egwurugwu na-enwu enwu. Mgbe Ezikiel hụrụ ya, ọ daa n’ala ala.



Chineke gwara Ezikiel okwu. “Mụ onwe m na-eziga gi jekuru ụmụ Izrel. Gwa ha okwu m niile a, n'ihi na ndi na-enupu isi ka ha bụ.” Otu aka pụtara, jide akwụkwọ mpịakọta. “Rie akwụkwọ mpịakọta a,” ka Chineke kwuru, “gaa, gwa ụlọ Izrel okwu.” Lee iwu jọgburu onwe ya!



Ma Ezikiel rubere isi, rie akwụkwọ mpịakọta ahụ wee gawa.

Mmụọ Chineke weliri Ezikiel ma buga ya gakwuru ndị Juu a dọọrọ n’agha bi n’ebe ọzọ n’akụkụ osimiri Keba. Ụbọchi asaa ka ọ na-anọdụ ala n'ebe ha na-anọdụ, ihe ọ hụrụ na-ejukwa ya anya.  Chineke wee mee Ezikiel onye-nche. Ọ ga-adọ ndị ajọ omume aka ná ntị ka ha ghara inupụrụ Chineke isi.





Ezikiel mere ọtụtụ ihe dị iche iche iji mee ka okwu Chineke doo ndị mmadụ anya. Ọ tụpụrụ ihe osise Jerusalem n’otu mbadamba ụrọ. Ma eleghị anya, ndị mmadụ legidere anya n’ubu ya ka ọ na-ese onyinyo ndị-agha dị ike gburugburu Jerusalem. Ọ na-egosi na a ga-ebibi obodo nsọ Chineke n’oge na-adịghị anya.

Izrel, bụ́ alaeze n’ebe ugwu, nupụụrụ Chineke isi ruo afọ nari atọ na iri itoolu, ma Juda kwa, bụ́ alaeze na ndịda, nupụụrụ Chineke isi ruo afọ iri ano.  N'ihi nka ka e bibirila Izrel, Juda ga-adakwa n'isi nso.  Chineke gwara Ezikiel ka o dinara n’akụkụ aka ekpe ya ụbọchị nari ato na iri itoolu, ma n’akụkụ aka nri ya ruo ụbọchị iri anọ, iji chetara ndị Izrel ọtụtụ afọ nke mmehie ha niile.





Ma eleghị anya, ndị mmadụ malitere iche na Ezikiel bụ nwoke a na-amaghị nke ọma. O mere ihe niile Chineke gwara ya mee. Otu ụbọchị, ọ kpụchara ntutu-isi ya ma kpọọ otu ụzọ n’ụzọ atọ n’ime ya ọkụ. Nke a bụ iji gosi na otu ụzọ n’ụzọ atọ nke ndị bi na Jerusalem ga-anwụ n’ọrịa na ụnwụ nri mgbe ndị-agha Babilọn wakporo obodo ahụ.





Ezikiel wee were ụzọ nke atọ nke ntutu-isi ya ma were mma-agha bebie ya.  Nke a bụ iji gosi na otu ụzọ n'ụzọ atọ nke ndị mmadụ ga-anwu na mma-agha nke ndị iro. Nke atọ bụ nke ikpeazụ, Ezikiel gbasasịrị ha n'ifufe. Ma ọ dụnyere ntutu- isi ole na ole n'ọnụ uwe ya dị ka ihe ịrịba-ama na Chineke ga-echebe ụfọdụ ndị Ya ma



weghachi ha n'ala Nkwa ahụ.

Onye amụma a nwere obi ike gwara ndị Juu a dọọrọ n’agha na ihe ga-aka njọ, ọ gaghị adị mma dịka ha tụrụ anya ya.  Ndị Izrel wesoro Ezikiel iwe, ma ọ nọgidere na-ekwu Okwu Chineke.  Otu ụbọchị, mgbe ya na ndị okenye Izrel nọdụrụ ala, Chineke mere ka Ezikiel hụ ọhụ. N’ọhụ ahụ, Chineke ji ntutu-isi ya welie ya ma buga ya n’ụlọ nsọ dị na Jerusalem.



N'ime Ụlọ Nsọ ahụ, Chineke gosiri Ezikiel ihe ndị na-akpụ akpụ, anụ ọhịa na-adịghị ọcha, na arụsị dị iche iche.  Ndị a ekwesịghị ịdị n'ụlọ nsọ Chineke.



Ndị isi dị iche iche na-efe ihe ndị a kama ife Chineke. Chineke gosikwara Ezikiel na ebube ya na-apụ n'ụlọ nsọ ahụ, na a ga-ebibi ya. Mgbe ọhụ ahụ gwụchara, Ezikiel gwara ndị Juu banyere ya.





Ihe niile Chineke kwuru mezuru.  E bibiri Jerusalem. Ọtụtụ ndị mmadụ lara n'iyi.  Mgbe ndị Juu a dọọrọ n’agha na Babilọn nụrụ ya, ha nọ na-eche ma Chineke ọ hapụwo ndị ya ruo mgbe ebighị ebi.

Ma Chineke nyere onye-amụma ya ozi ọzọ.  O duuru Ezikiel gaa na ndagwurugwu jupụtara n’ọkpụkpụ kpọrọ nkụ - ọkpụkpụ ndị mmadụ.



“Nwa nke mmadụ, ọkpụkpụ ndị a nwere ike ịdị ndụ?” ka Chineke jụrụ Ezikiel. Ezikiel zara sị, “Jehova, bụ Chineke, Gị onwe gị maara.” N'ezie, ọkpụkpụ ndị kpọrọ nkụ enweghị ike ịdị ndụ ọzọ.



Jehova wee sị, “Buo amụma nye ọkpụkpụ ndị a sị, ‘Unu ọkpụkpụ ndị kpọrọ nkụ, nụrụnu okwu Jehova, unu ga-adị ndụ.” Mgbe o rubere isi, Ezikiel nụrụ ụzụ mkpatụ. Kedu ihe ị chere kpatara ya?



Mgbe onye-amụma ahụ lere anya n’ijuanya, anụ-arụ dị iche iche gbakọtara n’ọkpụkpụ n’ọkpụkpụ.



Mgbe ahụ, anụ-arụ wee dakwasị ha.



Akpụkpọ-arụ ahụ wee kpuchie ha, ma ọ dighi ume dị n’ime ha.



Jehova wee sị, “Nwa nke mmadụ, buo amụma sị, ‘Ka ume si n’ifufe anọ bịa, kukwasịkwa ha ume ka ha dị ndụ.’” Mgbe Ezikiel mere otú ahụ, ume batara na ha. Ha wee dị ndụ, guzokwa n'ụkwụ ha.  Usu ndị-agha dị ukwu wee jupụta na ndagwurugwu ahụ.



Chineke maara na ndị Juu nọ na Babilọn enweghịzi olile-anya mgbe ahụ Jerusalem dara. O zitere ozi site n’ọhụ Ezikiel. “Ọkpụkpụ ndị a bụ ụlọ Izrel dum,” ka Chineke kwuru. “M ga-etinye mmụọ m n'ime unu, tinyekwa unu n'ala nke aka unu.”



Lee nnukwu ozi olile-anya sitere na Chineke!  Nkwa Chineke si n’ọnụ Ezikiel mezuru mgbe ndị Juu mesịrị laghachi n’ala nke ha.  Ha ma na Jehova bụ́ Chineke akpọlatala ha n’ụlọ ha.



# Ezikiel: Onye na-ahụ Ọhụ

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

Ezikiel

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130


Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.